# MKPARỊTAỤKÀ JISỌS NA NIKỌDIMỌS

## Jọn 3:1-21; 7:45-53; 19:39, 40

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 29 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye ọ bula nke amuworo site na Chineke adigh-eme nmehie" (Jọn 3:9).**

**I Nikọdimọs Jekwuuru Jisọs N'abalị**

1. Ọ bụ onye Farisii bụrụ kwa onyeisi, Jọn 3:1
2. Ọ chọrọ ka ya na Ọkpara Chineke kparịtaụkà, Jọn 3:2; Luk 19:3; Jeremaia 29:13
3. Mkwupụta ya gosịrị nnọọ onye nwere obi ghereoghe, Jọn 3:2; 14:11
4. Jisọs naenye mmadụ nke nwere obi kwesịrị amamihe, Jọn 3:3; Luk 2:40; Ilu 2:6; Ezikiel 36:26
5. Nikọdimọs aghọtaghị Eziokwu ahụ, Jọn 3:4; Ilu 16:2; Ndi Rom 10:3

**II Nkọwa Zuruòkè Jisọs Nyere Banyere Ọ̀mụ́mụ́ Ọhụụ**

1. Nzọpụta bụ nnapụta dị ókè mkpà, Jọn 3:5-7; Taitọs 3:5; Matiu 5:20; Aisaia 64:6; Ndi Rom 3:20; Ndi Galetia 2:16; I Pita 3:23; I Jọn 5:1; 2 Ndi Kọrint 5:17
2. Omume nke Mmụọ Nsọ dị kwa ka nke ifufe, Jọn 3:8; Ọlu Ndi-ozi 2:2; Jọn 6:64
3. Ike nke dị n'okwu Kraist tụrụ Nikọdimọs n'anya, Jọn 3:9-11; I Ndi Kọrint 2:14; Matiu 7:28, 29; Mak 1:27; I Pita 3:22
4. Jisọs jụrụ Nikọdimọs ajụjụ nnyocha, Jọn 3:12, 13; Ilu 30: 4; Job 38: 4

**III Mkpọgide N'obe Dị Mkpà N'ihi Nzọpụta nke Mmadụ**

1. Jisọs bụ mgbapụta anyị, Jọn 3:14; Ọnu-ọgugu 21:5-9; Aisaia 53:1-12; Matiu 26:28; I Jọn 1:7; 2:2; Ndi Hibru 7:25; 9:22; I Timọti 1:15; I Pita 1:18, 19
2. Ọ dị mkpà i kwere na Kraist ka ewee mụọ mmadụ ọzọ, Jọn 3:15; 14:6; 1:12; 5:24; Ndi Rom 1:16; I Pita 2:6; Ndi Hibru 11:6
3. Chineke nyere Ọkpara Ọ mụrụ náání Ya, Jọn 3:16; 4:10; 17:3; Ndi Rom 5: 8-10; Tatiọs 3:4, 5; Ndi Rom 6:23; 8:32; 2 Ndi Kọrint 9:15; Ndi Efesọs 2: 8
4. Amawo onye náekweghịekwe ikpé, Jọn 3:17, 18; 3:36; Nkpughe 21:8; Ndi Galetia 6:7; Nkpughe 20: 10; Ndi Hibru 3:12; 4:11
5. Òzízí Kraist naewe anya, bụrụ kwa ihe anaaghọta nkeọma ọbụná nye obi nke ibu naanyịgbu, Jọn 3:19-21
6. Ihe náegosi na Nikọdimọs mesịrị bụrụ onye amụrụ ọzọ, Jọn 7:45-53; 19: 39, 40

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Nikọdimọs bụ nwoke mụrụ akwụkwọ nke nwekwara ọnọdụ n'òtù nnọkọikpè (Sanhedrin) bú nke nwere ùgwù na nsọpụrụ dị elu n'anya ndị obodo ya. Ọ bụ ezie ma eleghịanya na ọbụ onye náeji nleruanya ajụajụjụ maọbụ onye náachọsi eziokwu nke imemmụọ ike, bụrụ kwa onye nwere obi dị nrò. O ji nsọpụrụ bịarue Kraist nso, "Rabai, ayi matara na I bu onye-ozizi nke siworo n'ebe Chineke nọ bia." Ịdịmma dị otú a nke ahụrụ n'obi onye ahụ náajụ ajụjụ dị mkpà mere ka Jisọs geentị. Nikọdimọs ji ezi obi náajụ ajụjụ, ọ bụghị dịka ụfọdụ mmadụ naakpali ọtụtụ ajụjụ ka ha wee gbochie Eziokwu ahụ (Matiu 22:15-18). Onye ọ bụla nke náemeghe obi ya nye Kraist, gaabụ onye Nnanweụlọ gana egbò mkpà ya n'ụzọ dị mfé mgbe niile (Luk 11:31).

Eleghịanya ihe mere Nikọdimọs ji bịakwute Jisọs n'abalị bụ na ọ gaghị adịrị onye nọ n'ọnọdụ ya mfé iguzo n'iru ibe ya wee nágide ịtaụta nke okpukpé NdịKraist naeweta (Jọn 9: 22). Ezi okpukpé ndịKraist enweworị ihe ịtaụta ya site n'oge ochie, mgbe ụfọdụ, anaakwa ndịKraist emò náakpọ kwa ha ọpụrụ iche. Nke a agaghị emetụ onye ahụ náesoụzọ Kraist, ma ọ bụrụ na o ji obi ya niile kpebie ịbụrụ Chineke "ihe nke aka-Ya" (Ọpupu 19:5).

Ihe kpatara Nikọdimọs jiri bịa ịhụ́ Jisọs n'abalị karịrị otù ihe. Anyị aghaghị icheta na Jisọs naalụsị ọlụ ike mgbe niile, eleghịanya ọ dịghị oge ọzọ dịrị Nikọdimọs mfé ịhụ́ Jisọs ma ọ bụghị n'abalị. Enwereike ọ bụghị ihe ndị ibe ya gaekwu bụ ihe náemetụ ya, kama ọ naatụ egwù na ndị Farisii agaghị ekwenyere ya ime omume dị otú a n'oge a. (Jọn 12: 42). Ọtụtụ nime ndị nọ n'òtù ahụ naeleda Jisọs na ndị niile náesoụzọ Ya anya.

Ọ dị mgbe ọ naewetara mmadụ mkpagbu, nsogbu, na ịkwaemò ịbụ OnyeKraist. Ma okwu ahụ nke bú Okpukpé NdịKraist abụrụwo otù ihe nke nghọta ya na mmepeanya náeso, n'ihi nke a ọ bụghị kwa ihe ihere, nime obi ọtụtụ mmadụ, ịbụ ndị amatara dịka ndị nke Kraist, ọbụná ma amata ha dịka ndị náaga náání chọọchị. Otú ọ dị, onye ahụ nke bú ezionye náesoụzọ Kraist gaahụ́ ọtụtụ ahụhụ. Ọbụná n'ihe ruru anyị maọbụ ohere nke anyị nwere n'obodo anyị bú Nigeria, ọ dị kwa ọtụtụ mmadụ ndị gaeme ihe niile ha nwere ike ime, iji gbochie ọlụ Chineke maọbụ tinye ihe ịsụngọngọ n'ụzọ nke otù nime ndịa dịkarịsịrị ntà bú ndị nke Chineke. Kama n'ikwu ya dịka ihe anaahụ anya si dị, ọ bụ nnọọ iheihere n'ụbọchị taa ma asị na mmadụ abụghị onye nke Kraist, n'ihi na anaesite n'aha ahụ egosipụta ụzọ niile maramma nke esi ebi ndụ.

Jisọs kwuru okwu ọtụtụ ugbò banyere Alaeze Eluigwe n'oge ijéozi Ya, site ná mmalite rue ọgwụgwụ. Ndị Ju naeleanya ka Mesaia ahụ bịa wee malite alaeze Ya n'eluụwa, napụta kwa ha pụọ n'agbụ́ nke ịbụ orù Ndị Rom: ma ha elerughịanya ịhụ́ ihe ndịamụma dere n'akwụkwọ, nke náegosi na Alaeze ahụ agaghị abụ nke náadị nwamgbe, kama ọ bụ nke imemmụọ. Jisọs metụrụ okwu a aka ná mmalite mkparịtaụkà Ya na onyeisi a: "Ọ buru na amugh madu ọzọ, ọ pugh ihu ala-eze Chineke anya." Nke ahụ bụ ụzọ iji baa n'Alaeze Chineke: aghaghị ịmụ anyị ọzọ!

Okwu a bụ "ọmumu-ọhu" ka anyị maara nkeọma ugbu a --- ma otú ọ dị ọtụtụ ndị náakpọ onweha NdịKraist adịghị aghọta ihe ọ pụtara, ha anwapụtabeghị kwa ya mgbe ọ bụla. N'oge ahụ, ha amaghị banyere okwu a nkeọma. Ọ dịghị ebe ọ bụla edere ihe banyere ya n'Akwụkwọnsọ n'oge ochie.

Ụ̀kpụ̀rụ̀ nke iwere mgbanwe nke obi n'oge agụrụ mmadụ n'onye eziomume tụnyere ịmụ mmadụ dịka òkikè si dị bụ ihe anaemebeghị na mbụ tutu Kraist emee ya n'oge a. N'Agbaochie ekwuru banyere mgbanwe nke obi, mee kwa ka ọ pụta ìhè, ma ejighị ya tụnyere ihe otú a. Ịbụ ndị amụrụọhụụ n'ezie gaenye anyị mgbanweobi ahụ nke karịrị ịbanye n'òtù nzukọ okpukpé dị iche na mgbalị nke onweonye ibi ndụ dịka OnyeKraist. Ọ gaenyere anyị aka ịdị ndụ̀ n'ụzọ ọ gaamasị Chineke --- ndụ nke mmehie náadịghị nime ya. "Onye ọ bula nke amuworo site na Chineke adigh-eme nmehie, n'ihi na nkpuru-Ya nādigide nime Ya: ọ pugh kwa imehie, n'ihi na amuwo ya site na Chineke" (I Jọn 3: 9). Mgbe amụrụ mmadụ ọzọ, onye ahụ naabà ná ndụ̀ ọhụụ (2 Ndi Kọrint 5: 17), ndụ̀ nke Mmụọ Chineke naachịachị nime ya, ọ bụghị nke iwu nke mmehie na nke ọnwụ naachị. Ọ dịghị okwu ọzọ ka mma apụrụ iji kọwaa mgbanwe a pụrụ ichè karịa nke Jisọs ji kọwaa ya: " Aghagh imu unu ọzọ."

Nzọpụta bụ mkpughe sitere na Chineke, mkpụrụobi ọ bụla nke nwapụtaworo "ọmumu-ọhu" a gaekwu na ọ bụ ezie. Ọ bụrụ na onye ọ bula dị nime Karist, ọ bu "onye ekèrè ọhu." Chineke naagbanwe obi. Nke a bụ mnwapụta nke "imu-ọzọ" ahụ n'ihi na ihe "ochie agasiwo; le, ha aghọwo ihe ọhu" (2 Ndi Kọrint 5:17).

Nikọdimọs abatawo n'óké ìhè n'ihi na Onyenweanyị ekpughewo eziokwu ahụ nime obi ya. N'ihi nke a ọ dị mkpà ka ejégharịa nime ìhè ahụ, ma ọ bụghị otú a apụghị inwapụta ihe bụ ndụ nke mmehie náadịghị nime ya. "Ọ buru na ayi asi na ayi nēso Ya nwekọ ihe, ma ayi nējeghari n'ọchichiri, ayi nēkwu okwu-ugha, ayi adigh-eme kwa ezi-okwu: ma ọ buru na ayi ejegharia n'ìhè ahu, dika Ya onwe-ya nọ n'ìhè ahu, ayi nēnwekọrita ihe n'etiti onwe-ayi, ọbara Jisus, bú Ọkpara Ya, nāsachapu kwa ayi nmehie nile" (I Jọn 1:6, 7). N'ebe Nikọdimọs nọ, oge mkpebi eruwo. Ọ̀ gaanọgide nime ọchịchịrị? Ka ọ̀ gaabata nime ìhè ahụ ma kwee ka ọ lụpụta ezi ihe ná ndụ ya?

Mmụọ nke Chineke kwesịrị ntụkwasịobi nye obi ọ bụla. Mgbe anyị naekwe ka Mmụọ Nsọ duzie anyị ma naesokwa ụ̀kpụ̀rụ̀ Ya dị nsọ n'ikwesị ntụkwasịobi, anyị ga-agbanarị olùlù nile na ọnyà nile nke onyeiro nke mkpụrụobi anyị naesiri anyị (Jọn 16: 13). Ndị ahụ náadịghị eso odudu nke Mụọ Nsọ bụ ndi na-anata ụgwọ-ọlụ nke mmehie.

Onyeiro ahụ náalụsi ọlụ ike iguzogide na iwebata mgbagwoju-anya nime ndụ̀ onye ọ naachọ iduhie; ma ayị nwere Onye-isi-agha Onye ana-apụghị imeri n'agha n'ebe ọ bụla, ayị matakwara na Onyendú anyị bụ dike na dimkpà n'ọgbọ agha ọ bụla. Mgbe ọ bụla mmadụ ji eziokwu, na okwukwe chọsie Ọkpara Chineke ike, ọ gaanata ọ̀zịzá n'otù mgbe ahụ. Igwè ndị agbapụtara nọ nso gburugburu ocheeze Chineke pụrụ ịgbaàmà banyere eziokwu a, ma na-eto kwa Chineke rue mgbe ebighị-ebi n'ihi ya.

Jisọs atụfụghị oge ọ bụla ịgami n'omimi wee kpughee otụtụ ihe dị ebube banyere Onwe-ya nye ọra madụ. Ọlụ-ebube ọ bụla nke alụrụ nwere nnọọ ihe dị mkpà na ihe pụrụ iche kpatara eji lụọ ya. Ihe banyere mkpụrụobi ụmụmmadụ metụrụ Ya n'obi n'oge ochie dịka ọ naemetụ kwa Ya n'ụbọchị ndịa, ma Ọ gaghị ezobe Onweya, ka ike mgbapụta nke dị n'Ọbara Nwaatụrụ ahụ wee pụta ìhè nye mmadụ niile.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ọ̀lee ihe i chere mere Nikọdimọs ji rọrọ ijekwuru Jisọs n'abalị?
2. Ekele nke Nikọdimọs ọ̀ bụ nke ikwàemò ka ọ bụ nke nsọpụrụ?
3. Gịnị bụ ozi Jisọs ziri onye Farisii a?
4. Nke a, ọ̀ naeme kwa n'ụbọchị taa?
5. Gịnị ka "ọmumu-ọhu" pụtara?
6. Ònye ka anaesite n'aka ya nata onyinye a, gịnị dị kwa mkpà ka ndị niile naachọ ya mee?
7. Nikọdimọs ò mere ezi nrọrọ?
8. Ànyị onweanyị nwere otù ohere ahụ ịrọrọ onye anyị gaefè?
9. Gịnị bụ ezi nrọrọ?
10. Gịnị bụ nrọrọ náabaghị urù?